Ịtụle Egwuregwu Ọdịnala Igbo Na Ọnọdụ Ya Nke

Magnus Aniago
Institute Of African Studies
University Of Nigeria, Nsukka magnus.aniago@un.edu.ng
+2347064977068

John Ogonna Okoli*
Centre for Entrepreneurship And Development Research
University Of Nigeria, Nsukka ogonna.okoli@unn.edu.ng +2348038948609

Thankgod Ikenegbu
Institute Of African Studies
University Of Nigeria, Nsukka thankgod.ikenegbu@unn.edu.ng
+2348037726826
*Correspondence Author

Ụmịedemede

Ederede a lebara anya n'egwuregwu ọdịnala Igbo ịmata ka ọnọdụ ya si dị ugbua. Ihe kpalitere nnyocha a bụ na a naghị ahụkwa egwuregwu a dị ka ọ dị na mgbe ochie nke na mmadụ ụfọdụ amaghị na e nwere egwuregwu ọdịnala Igbo. Ndị nchọcha na-atụ anya na nchọpụta sitere na nnyocha a ga-ewelite ọnọdụ egwuregwu ọdịnala Igbo ka ọ ghara ịbụ ihe furu efu. Ndị nchọcha gbasoro usoro sọvee were mee nnyocha a. Ụfọdụ ngwa nchọcha ha ji mee ntụle bụ n'ihe e dere n'akwụkwọ na kwa n'inteneeti. Ngwa ndị ọzọ bụ nke sitere n'ihe ha maara na nke ha na-ahụ anya. A chọpụtara na n'agbanyeghị na egwuregwu ndị a na-ana azụ, a ka na -ahụkwa ya ọtụtụ ebe n'ime obodo. Ọtụtụ ndị nkuzi na-ewebatakwa ya mgbe ha na ụmụakwụkwọ na-eme egwuregwu. Ụmụaka ndị ọzọ na-ahụkwa ya mgbe ha na-ekiri onyonyoo, mana foonu mana tivii. Ndị nchọcha nyere ndụmọdụ ka ndị ọ dị n'aka webata egwuregwu ọdịnala nke ọma n'ụlọakwụkwọ. Nke a ga-enye aka ime ka ọ digide.

Ọkpụrụkpụ Okwu Ga: Ọdịnala, omenala, egwuregwu, onyonyoo, na Ụmụaka.

Mkpolite

Ndị Igbo bụ ndị ọtụtụ ihe dị n'omenala ha. Ụfọdụ n'ime omenala ndị a abụrụla ọdịnala. A kọwaala omenala n'ụzọ dị iche iche iji mee ka a ghọta ya nke ọma. Omenala bụ ka ndị si ebi ndụ ha nke na-egosipụta onwe ya n'akparamagwa, akwa a na-eyi, ụdị nri a na-eri, asụsụ, mmemme, wdg. Ndị dị iche akọwaala omenala n'ụzọ dị iche iche iji zipụta ihe dị n'ime ya. Ude (2019) kwuru na mba dị iche iche n'ụwa dị ka Bekee, China, Asia, Germany, na mba ụwa ndị ọzọ nwere omenaala ha. Omenaala ndị ka e ji ama ha. Ude

(2025) kọwara omenaala dị ka ụzọ ebimụndụ nke e ji mara agbụrụ dị iche iche. Odo, Mbah, na Okey-Agbo kọwakwara na omenaala ndị bụ echiche na omume ha. N'aka nke ya, Eze (2021) kọwara omenaala ka usoro nkịtị ndị ọbụla si eme ihe n'usoro ebimụndụ n'agbụrụ ha.

N'aka nke ọzọ, ọdịnala bụ usoro ndụ maọbụ omenala nke nọtere ezigbo aka, nke si na ndụdụgandụ fere n'ọzọ. Ọdịnala bụ omenala nọterela aka nke na a na-eji ya ama atụ maọbụ eguzobe ka ihe ga-esi dị maọbụ ka ọ ga-esi ga. Nkọwaokwu Longman kọwara omenala dị ka obodo si ebi, ma ọdịnala bụ omenala nke a hanyere n'aka mmadụ. O kwuru na ọdịnala bụ ụzọ e si eme ihe nke dị anya o ji dịwa. Nkọwaokwu a hụtara omenala dị ka nkwenye, ụzọ ndụ, nka, na ọdịbendị nke ndị mmadụ nabatara were ya naebikọrịta ndụ n'obodo. TriumphIAS kwuru na ọdịnala na-enye aka eme ka obodo gbanyesia mgbọrọgwụ ike ma nwee ihe e ji mara ha (iumphias.com}. Monu Varghese kwuru na omenala tata bụ ọdịnala echi (www.facebook.com). Egwuregwu ụmụaka so

n'otu omenala Igbo bidoro mgbe tere aka. Ụfọdụ n'ime egwuregwu a ka e nwere ike ịkpọ ọdịnala n'ihi na o teela ha ji dịrị. Ọ bụ eziokwu na n'oge agbaọhụụ, ụfọdụ ụmụaka enwekwaghị ohere ụdị egwu ndị a, ma n'ime obodo ebe ụfọdụ, ọ ka bụ ihe dị ire. Ụfọdụ n'egwuregwu ndị a bụ nke e depụtara n'ederede a.

Egwuregwu dị mkpa na ndụ ụmụaka. Nke a na-eme ka ha gbasie ike, nwee ezigbo ahụike. Ụmụaka anaghị enwechazị ohere ime egwuregwu ka o kwesiri ha n'ihi ihe nkiri dị iche iche dị ka nke tivii na foonu. Nke a mere a na-echefuzi ụfọdụ egwuregwu ọdịnala e ji mara ụmụ Igbo. Ndị nchọcha lebara anya n'egwuregwu ndị a, na nke ugbu a iji mata ọnọdụ ha, na ime ka ndị n'amaghị mata na ndị Igbo

nwere egwuregwu ọdịnala ụmụaka. Ndị nchọcha gbasoro ụzọ sọvee were mee nnyocha ha. Ngwa nchọcha ha gụnyere ihe a gụtara n'akwụkwọ na n'inteneeti. Ọzọ kwa bụ ihe ha ma n'onwe ha, na nke ha hụrụ n'anya. Ha jiri ngwa nchọcha ndị a lenye anya n'ihe gbasara egwuregwu ọdịnala ndị Igbo, Ndị nchọcha tụrụ anya na nchọpụta sitere n'ederede a, ga-eme ka egwuregwu ọdịnala Igbo pụtakwuo ihe, na kwa ka ndị ọ dị n'aka webata ya nke ọma n'ụlọakwụkwọ.

Egwuregwu Ụmụaka

N'ala Igbo ụmụaka nwere ụdị egwuregwu dị iche iche dị ka kpumboo, akpankoro, na ndị ọzọ. Ụmụaka na-egwukarị egwu oge ọnwa na-eti na kwa oge mgbede. Egwuregwu naatọ ụmụaka nnukwu ụtọ. Ụmụaka ụfọdụ nwere olu ha ji akpọ ibe ha ka ha pụta maka egwumegwu. Mgbe ụmụaka nụrụ olu maọbụ mkpọtụ ibe ha ka ha na-egwu egwu, ha naejisi ike mee ihe ha na-eme maọbụ rụọ ọrụ ha na-arụ ọsọ ọsọ iji sonyere ụmụaka ibe ha n'egwumegwu maọbụ egwuregwu.

Otu n'egwu ụmụaka na-egwu mgbe ọnwa na-eti n'abalị bụ kpumboo. Mgbe ụmụaka zukọrọ n'ama egwuregwu, a ga-ahọpụta otu onye nke ọrụ ya bụ ikpuchi otu nwata aka n'anya mgbe oge nke onye ahụ ruru maka egwuregwu ahụ. Na kpumboo, a na-ekpuchi otu onye aka n'anya we gụọ.

Kpumboo - ololoo
Kpu abọ- ololoo
Kpu atọ- ololoo
Onye nọ ebe ọ nọ nọsikwee ike
oooo----------

Tupu a na-emepe anya onye ahụ e kpuchiri anya, onye ọbụla ezoola. Nwata ahụ gaamalite chọgharịwa ndị ibe ya. Nwata ọbụla o jidere ga-abụzị onye a ga-ekpuchi anya. Mgbe e jidere otu onye, onye ahụ jidere ya ga-ekwu ya, ụzụ atụọ ebe niile, onye ọbụla esi ebe o zoro mịpụta.

A bịa akpankoro, ụmụaka na-eme ya na-anọ okirikiri jidechaa onwe ha aka. Mgbe ahụ a ga-amalite egwu ya.

Akpankoro - Kpankoro
Akpankoro – Kpankoro

Udumoo - ogene
Onye ọ mara – Tutuyayayayaya
…… Tutuya-a

Mgbe a gụchara egwu ahụ, onye ọbụla ga-anọ ọdụ. Onye ikpeazụ nọrọ ọdụ ga-apụ. Otu ahụ ka a ga-esi mee ya wee rue na onye ikpeazụ, bụ onye a ga-ewere ka onye meriri. E nwekwara ụdị egwuregwu ndị ọzọ dị ka ịchụ ọsọ, ịgba egwu, na ịkpọ ọga. N'oge ugbu a, n'obodo mepere emepe, ọtụtụ nne na nna anaghị ekwe ụmụaka ha si n'ụlọ pụta maka egwu nwa. Nke a na-ebute na ọtụtụ n'ime ha na-ewere oge ahụ tinye n'ikiri onyonyo tivii na nke foonu maọbụ ihe ndị ọzọ. fọdụ jikwa oge ahụ na-agụ akwụkwọ ma ọ bụ na-arahụ ụra. Otu ihe na-eme ugbu a mara mma nke ga-eme ka ụdị egwuregwu ndị a ghara ifu ọs
ọ ọsọ bụ na ọtụtụ ndị nkuzi na-eji nke a emere ụmụaka egwuregwu n'ụlọakwụkwọ.

Mmechi

Ndị Igbo ji ụmụ egwuregwu ọdịnala ndị a enye ụmụ ha nkuzi na ọzụzụ ka e si agbasi ike. Ọtụtụ ụmụaka na-esi n'ọnọdụ dị otu a mụta ka e si agba ọsọ, na ka e si emegharị ahụ. Site n'imegharị ahụ, nke na-esote egwuregwu a, ụmụaka na-enwetakwa ahụike na amamihe. Ọtụtụ ụmụaka jidesiri ụdị egwuregwu a ike n'ime obodo. Ndị nke nọ n'obodo mepere emepe nwere ike hụ ihe yitere ya n'onyonyoo ha na-ekiri. Ọ bụ eziokwu na ụfọdụ ndị nkuzi nọ n'ụlọakwụkwọ na-eji nke a emere ụmụaka egwuregwu, ọ dị mkpa ka ha tinyekwuo ya uchu n'ihi uru dịgasị na ya. N'agbanyeghi na e nwechara ụdị egwuregwu agbaọhụụ, ọ dị mkpa ka ụmụaka mata nke ọma egwuregwu ọdịnala ha. Nke a ga naenyekwa ha ezigbo obi ụtọ

Edensibịa

Eze, R.I. (2021). Nkuzi omenaala Igbo n'ime Omeja, M.O. Onwuka, G.T. Ntọala nkuzi na ọmụmụ asụsụ Igbo. (pg 153- 173). Nsukka: Paschal Communications).

Ifudu, J. (2021). Ohafia Community. WhatsApp Message.

Longman Dictionary of Contemporary English. (2009). Culture, USA: Pearson

Longman Dictionary of Contemporary English. (2009). Custom, USA: Pearson

Longman Dictionary of Contemporary English. (2009). Tradition, USA: Pearson

Muhra, M. Tradition. Quora.com
Odo, C.O, Mbah, B.M & Okey-Agbo, J.N. (2021). Iti akwa ọnwụ n'ukwu na Nsụka. Nsukka Journal of African Languages and Linguistics. 16. 15-35.
Varghese, M. Tradition, www,facebook.com. Retrieved 11-07-2021